# Nzipụta Ndụ Ọchọnike n'Ime Ụmụagbọghọ n'Iduuazị Ijeọma na Ije na Isi Akwụ Dara n'Ala

**Si n'Aka**

**Anagor, Chioma Chiazom**
*cc.anagor@unizik.edu.ng*

**Na**

**Nkechinyere Anthonia Nwokoye**
*anthonia.nwokoye@unizik.edu.ng*
*Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka Na Nzikọrịtaozi*
*Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka*

## Ụmịedemede

N'oge gboo, ndị Igbo nwere omenala ha na-emere nwaanyị ọbụla topụtara ogo ịlụ di nke ha kpọrọ ipụ ebe maọbụ iru mgbede. Ha na-eme nke a iji kwadoo ha maka ịbanye be nwoke. Nwaagbọghọ ọbụla na-akwanyere onwe ya ugwu ka o wee lụta di dị mma ma si be nna ya pụọ.

Ọ bụ arụ na nwaagbọghọ gbasoro nwoke emeghị ego n'isi ya fọzịa isi n'ụzọ abụla ụzọ naghara onye ọzọ di ya. Ọ bụghị oke na ọrụ nwaanyị ịchụ nwoke kama ọ bụ nwoke ka ọ dịịrị ịchụso nwaanyị ọbụla o nwere mmasi na ya ma hụ na o nwere ihu ọma ebe nwaagbọghọ ahụ nọ iji mee ya nwunye ya mana n'oge ugbua, ihe na-adachigha azụ. Ụfọdụ ụmụagbọghọ chọziri isi n'ụzọ abụla ụzọ lụta di. Ha na-eme ihe megidere omenala na nkwenye ndị Igbo dị ka nwaanyị inaghara

enyi ya nwaanyị di ya maọbụ were ahụ ya na-atụ mgbere. Agwa dị etu a na-ezipụta ndụ ọchọnike n'ime mmadụ. Ọ bụ ihe ndị a kpaliri mmụọ odee ime nchọcha n'agụmagụ ndị Igbo; Ijeọma Na Ije na Isi Akwụ Dara n'Ala ma zipụta ọchọnike pụtara ihe n'ime ụmụagbọghọ na nsogbu o na-ebute. Dị ka a maara, ọchọnike bụ mmadụ ịchọ ihe n'ụzọ abụla ụzọ n'agbanyeghị ihe ọ ga-apụta n'ikpeazụ. Ndị nchọcha gbasoro usoro nkọwa wee zipụta ihe ndị a chọpụtara ma gbado ụkwụ n'atụtụ saikoanalisis nke Sigmund Freud tụpụtara n'afọ 1856-1939 wee tụchaa akwụkwọ ndị a.

Atụtụ a dabara karịa ndị ọzọ n'ihi na ọ na-eleba anya n'ọnọdụ ime mmụọ mmadụ nke na-apụta ihe n'agwa ya. A chọpụtara na ọchọnike bụ enweghị ndidi, enweghị afọ ojuju na anyaukwu na-eduba ọtụtụ n'agwa a. A hụkwara na ihe niile ahụ mmadụ na-adọgburu onwe ya n'ọrụ ka

onweta n'ụzọ abụla ụzọ ga-emechaa tinye onye ahụ na nnukwu nsogbu nke nwere ike wepụ ndụ ya maọbụ ndụ ndị ọ hụrụ n'anya ma a kpachaghị anya. Nchọcha a ga-abara onye ọbụla uru iji mee ka a mata mkpa ọ dị mmadụ ịdị na-echemi echiche ime tupu o nwee mkpebi ọbụla na ndụ ya ma matakwa na ọchọnike na-ala n'ike,

**Mgbakwasa Isiokwu**

Ọchọnike bụ okwu a kpụ n'ọnụ n'oge a n'ihi etu ndị mmadụ si achụzị ihe ụwa n'ike, ma ọ chara acha ma ọ chaghị si gbute ya. A na-ezipụta ọchọnike n'ụzọ maọbụ ebe dị iche iche dị ka oke ọchịchọ, ọgwụ ego, iwepu ndụ, alụm di, agụmakwụkwọ, ịmụta nwa tụmadị nwa nwoke, ịga mba ofesi, ịchọta ihu ọma ebe onyeisi ụlọọrụ nọ, imeri na ntuliaka ndọrọndọrọ ọchịchị dg. Ọ dịghị ihe ọtụtụ ndị mmadụ agaghị eme iji hụ na ha nwetara ihe ọbụla ha na-achọ n'ụwa a n'agbanyeghị ihe ọ ga-ewetara ha n'ọdịniihu. E nwere ndị amaghị mgbe ha ji zipụta ndụ ọchọnike n'akparamaagwa ha oge ha na-achọ inweta otu ihe maọbụ nke ọzọ. N'ala Naịjiria, ndị ọchịchị ewerela ọchịchị ka tigbuo zọgbuo, ha na-eme ihe ọbụla ha chọrọ iji merie ọsọkwa ya bụrụ igbusisi ndị ha na-achị naanị ihe ha chọrọ bụ ka ha jide ikike n'aka ha.

E nwere ụmụagbọghọ ndị megoro ihe ntị na-asọ oyi ebe ha na-achọ ka ha kpọta akọnauche ụmụnwoke ebe ha nọ iji napụta ha nnukwu ego. Ụfọdụ agaala ebe a na-edozi ahụ, mipụ abụba dị n'afọ ha ma tinye ya n'ike ha ka ha wee dị ka kalama mmanya kooku "elewe ukwu e gbue ewu".

Ije a abụghị ụdị nwata na-aga n'ihi na ha na-emefu ọtụtụ ego ruru nde narị naịra atọ na ụma iji dozie ahụ ha ma malite ịsọ ọtụtụ ihe oriri iji hụ na ahụ ha digidere etu ọ dị. Ihe niile a bụ mmadụ enweghị afọ ojuju etu chi ya si kee ya ma mata na n'agbanyeghị etu onye dị, e nwere nwoke ọ ga-amasị. Mana n'ihi oke ọchịchọ, ha na-etinye ndụ ha na nsogbu ga-abịa n'ọdịniihu maka ndị Igbo kwuru okwu sị;"ị kaa nka, ị ghọta ije". Ayodele (2022) kọrọ akụkọ maka Ọnwụzuligbo Mariam Nneka onye tuuru ugo na asọmpi ịbụ onye a ga na-eziputa ihu ya n'emume ọchịchị onye kwuo uche ya n'afọ 2013. Nwaada a gara otu ụlọọgwụ dị na Legọọs ka o wepụ abụba n'afọ ma tinye ya n'ike ya iji dozigharịa ahụ ya mana dọkịta mere ya emetaghị ya, o wee bute nsogbu wepụrụ ndụ ya n'ọnwa Febụwarị 3, 2014 ka ọ nọchara n'agbata ọnwụ na ndụ mkpụrụ ụbọchị iri atọ na otu. O dekwara maka ụmụagbọghọ abụọ; Amelia Pounds e ji azụmahịa mara. O gara ụlọọgwụ dị na mba India ịga mịpụ abụba n'afọ ya ma tinye n'ike ka ahụ ya hazie nke ọma. A kọwara na ihe niile gara nke ọma mana ihe mberede dapụtara n'ikpeazụ wee wepụ ndụ ya. Enyi ya nwaanyị kọwara na ihe kara Amelia obi ibewa ahụ ya bụ n'ihi na e nwere otu enyi ha mere otu ihe ahụ ma were ndụ ya lọta n'amaghị na chi onye ọbụla dị iche n'iche. Ọzọ bụ Christabel nwaagbọghọ bi na Pọthakọt onye nke na-ezipụta ihe nkiri n'ọwa ududo gakwara ịmipụ abụba n'afọ ya wee tufuo ndụ ya.

Ihe ndị a gosipụtara na ọchọnike na-eduba na ngaramara maọbụ iwepu ndụ n'ikpeazụ maka na ọ bụ ọchịchọ ịdị ka onye ọzọ tinyere ha isi n'ụzọ nwere ike iwepu ndụ ha wee gaa n'ihu imegharị ahụ ya ka ọ dị chi esighị kee ya na mbụ. Ya mere o ji dị mkpa ka ndị mmadụ na-echemi echiche ime n'ihe ọbụla ha chọrọ ime, dụọ onwe ha ọdụ ma ha chọpụta na ha na-achụso ihe ọbụla n'ike n'ike n'ihi na ọchọnike na-eduba n'obi nkoropu na igbu onwe maọbụ iwepu ndụ.

Ejinkeonye (2011) na nchọcha ya kọwara etu ụmụnwaanyị si achọ ụmụnwoke n'ụzọ abụla ụzọ nke ha na-ezipụta n'ụdị akwa ha na-eyi. Ọ kọwara na ọtụtụ ụmụnwaanyị ma ndị nke na-arụ n'ụlọakụ anaghị eyichi ahụ ka ndị na-arụ ọrụ oyibo. O kwuru na otu onye ọ gbara ajụjụ ọnụ kọwara ka o si baa n'otu ụlọakụ ka o mee ihe wee hụ nwaagbọghọ kwadoro nke ọma mana oge o dabedoro na tebulu ka ọ jụọ ya ihe ọ ga-emere ya, o wee hụ na uwe o yi n'ime enweghị mkpọchi fọdụ imechi onu ya nke gosiri na ọ bụ agwa e hiri asaa n'anya wee kpaa. Ọ chọpụtara na n'oge a, ụmụnwaanyị ejighị ịgba ọtọ mere ihe ọbụla maka na ndị yichiri ahụ dịzị ka ha abụ Mgbeke n'anya ọtụtụ mmadụ ebe ndị yewere ahụ ha oye dịzị ka ọ bụ ha maara ihe ekwe na-akụ.

**Ọchọnike**

Ọchọnike pụtara mmadụ ichụso ihe ọbụla n'ụzọ abụla ụzọ n'agbanyeghị ihe o nwere ike iwetara ya n'ikpeazụ. Quen (2020) n'aka nke ya kọwara na onye ọchọnike na-adabakarị n'agwa echemighị echiche ime dị ka ụmụagbọghọ ụfọdụ ndị nke na-eme ihe ọbụla iji kpọta akọnauche ụmụnwoke ebe ha nọ. N'ihi nke a, o nweghị ihe a na-ezozi ezo n'ahụ ụmụnwaanyị. O nweghị onye chọzịrị ịma maka ịkwanyere ahụ nwaanyị ugwu, ihe ụfọdụ na-ekwu bụ "were ihe ị nwere chụta ihe ị na-achọ". Ọ kọwara na ọ malitere n'ụzọ egwuregwu oge ụmụagbọghọ bidoro kwuwe "ọ bụrụ na i nwere ya, gosi ya". O mesịrị ruo na ọ bụrụ na nwaanyị emepetụghị ara ya oghe etu a ga-esi ahụ ya anya, onye ọzọ mepere nke ya anara ya enyi ya nwoke. N'ihi nke a, ma nwata ma okenye, agbọghọ, nne nwaanyị na agadi malitere ịgba ọtọ n'ihi na ha che na ọ bụ site n'ụzọ dị etu a ka e si edobe nwoke isi n'ụlọ maọbụ mee ka ọ na-ele ha anya kwa mgbe. N'ịga n'ihu, o kwuru na kamgbe ụmụnwaanyị malitere ịgba ọtọ, ụmụnwoke ejighịzị anya ahụ onye gba ọtọ n'ihi na n'uche ha, nke gba ọtọ ma ihe ekwe na-akụ karịa nke yichiri ahụ maka na ụmụnwaanyị ụfọdụ eleela ugwu ha kobo n'ahịa.

David (2019) kwadoro na ọchọnike na-eduba na nsogbu mana onye ahụ lezie anya nke ọma mata ebe o si jehie ụzọ, ọ gbaziere onwe ya. Ọ kọrọ akụkọ mere na ndụ ya mgbe ụlọọrụ ngo ọ chọrọ ịmepe gharịpụrụ ya, mmasị inwe ụlọọrụ ọzọ chuwere ya ụra nke na ọ malitere ịchọ ka ọga-esi mepee ya n'ụzọ abụla ụzọ o wee duba ya n'inwe mkpebi ezighị ezi nke dapụrụ n'ebumnobi ya ma bugharịa uche ya n'ebe ọzọ. Ka o mechara lezie anya n'ihe mkpebi ahụ megoro ya, o wee belata aka ka o si achọ ya n'ike.

Hannan (2019) kọwara ọchọnike ka mmetụta mmụọ adịghị mma nke na-esonyere ọnọdụ ahụ mgbakasị, egwu, inwe obi nkoluelu, nkụja na enweghị nchịkwa nke na-akpali akparamaagwa mmadụ. Ọtụtụ nsogbu dị n'ụwa tụmadi na mba Afrịka na-ebute ọchọnike na ndụ ndị mmadụ ebe ha na-achọ ka ha mee ihe mgbe ndị ọgbọ ha na-eme ya maọbụ butere nne na nna ha nkwanye ugwu. Ụfọdụ bụ n'ihi etu ọhanaeze si emeso ndị enweghị ọnụ okwu mere ha ji chọwa ego mbute ka ha sonye n'ihe a na-eme, ya mekwara ụmụagbọghọ ji eme ihe ọbụla ha nwere ike ịme ka ha lụọ di iji gbanarị ọnụ ụmụ ụwa. Mmadụ nwekwara ike ịdị na-ezipụta akparamaagwa ọchọnike n'amaghị ama ebe ọ na-achụso ebumnobi ya. Sabater (2021) malitere ịkọwa na olileanya bụ okwu French "espoir" nke pụtara okuku ume site na nke a, ọchọnike abụghị naanị enweghị okuku ume dị ka ụfọdụ hụrụ ya kama ọ bụ enweghị mmụọ. Ọ bụ ike ọgwụgwụ si n'ụbụrụ, akparamaagwa na mkpụrụobi. O bụkwa ike ọgwụgwụ gbakọtara ọnụ site na ngharịpụ na obi mwute. Nsị na-emenyụ nchekwube, ume na nkwado nwayọọ nwayọọ na oke ngharịpụ

nke na-eme mmadụ ịdị na-eku ume obi ọjọọ ganye na ọ tọkịrị n'agbụ oke echiche. Ọ gara n'ihu kwuo na ọchọnike na-eduba n'obi nkoropu.

Abdulkareem (2022) kwuru na ego bụ ngwaọrụ e ji eme mgbanwe, akwụ ndị mmadụ ụgwọ ọrụ na ụgwọ ihe ọbụla mmadụ mere. Mana n'oge ugbua, e meela ọtụtụ mpụ na arụ ebe a na-achụ ego n'ike wee merụọ ala anyị. E liela ịhụnanya, ezi akparamaagwa na ezi ọzụzụ n'ili. Ihe ndị mmadụ na-eche bụ etu ha ga-esi chụta ego n'agbanyeghị ihe ọ ga-ebutere ha. E nwere ọtụtụ ụzọ ziri ezi e si akpata ego mana ọ bụghị ihe ha chọrọ ịnụ n'ihi na ụzọ ahụ n'anya ha tere aka ma dị warawara ya mere ha ji banye n'izu ohi n'ọwa ududo, igbu mmadụ wee gwọọ ọgwụ ego, ire akụkụ ahụ mmadụ, ịtọrọ mmadụ wee chụ nta ego. Site n'ụzọ ndị a, ha akpatala ego ọrụ gọọmentị agaghị enyenwu ha.

E wepụghị agwa ndị otu ndọrọndọrọ ọchịchị na-achọ ihe n'ike dị ka Enewaridideke (2022) kọwara na ọtụtụ n'ime ha na-aga na nke dịbịa, onye amụma, ndị isi nchụaja dg maka mkpalita ụka ime mmụọ nke gbadoro ụkwụ n'ụzọ ha ga-esi memilaa onye ọzọ kwụchiri ụzọ ha tupu maọbụ oge e mechala ntuliaka. Ha na-achọkwa ụzọ ọbụla ha ga-esi tughara ugo onye ọzọ tutere na ntuliaka maọbụ gobie ndị ogbu mmadụ iji wepụ ndụ onye ahụ. Ihe ndị a gosiri agwa ọchọnike.

Ọtụtụ ihe na-ebute ọchọnike na ndụ mmadụ dị ka Amie (2018) kọwara. Ha bụ;

- Anya ukwu
- Ekworo
- Enweghị afọ ojuju
- Enweghị ezi nchekwa
- Ịzọ isi maọbụ ọka aka

**Atụtụ Nchọcha**

Atụtụ bụ iwu e ji eleba anya n'isiokwu ọbụla iji mata ka ndị odee si ewebata ụfọdụ ihe metụtara iwu ndị ahụ n'ọrụ ha. Ọ bụkwa usoro e ji atụpụta nkamma odee.

A gbasoro atụtụ Saịkoanalisis wee mee nchacha a. Uwaoma (1997) kọwara na Sigmund Freud bụ onye tụpụtara atụtụ a bụ onye dibịa oyibo na mba Ọstrelia. Ọ bụ n'ihi ihe mmekpa ahụ ọ hụrụ na ndụ ndị ọ na-agwọ ka o ji tụpụta atụtụ a. Ọ kọwara na saikoanalis abụghị naanị atụtụ, kama ọ bụkwa ụzọ e wepụtara iji gwọọ ndị mmadụ ọrịa ime mmụọ. Freud tụpụtara otu ụzọ e si enyere ndị nwere ọrịa ime mmụọ aka nke ọ kpọrọ "free association" na Bekee. Nke a bụ ụzọ a tụpụtara ka o nyere ndị nwere ọrịa ime mmụọ aka ikwu ihe ọbụla batara ha n'obi etu o si dị ha n'ataghị okwu arụ maọbụ chewe ihe ọ ga-ebutere ha. Site n'ime nke a, ọ ga-enyere ha aka ikwuputasi ihe niile ha bu n'obi kamgbe dịka iwe na ihe na-esogbu ha nke ga-eme ka dọkịta wee mara etu ọ ga-esi nyere ha aka na ọgwụgwọ nsọ ha. Uwaoma kọwakwara na Freud gara n'ihu imalite nnyocha nrọ mmadụ n'ihi na o kwenyere na ihe niile na-esogbu mmadụ na-eji nwayọọ alọghachite azụ na nrọ ha mgbe ha na-arahụ ụra. Ya mere o ji dị mkpa imata ụwa nrọ onye a na-agwọ ọrịa iji mata etu a ga-esi nyere ya aka. O kwuru na e kewara ime mmụọ mmadụ ụzọ atọ; iidi nke na-ezipụta agwa ọjọọ mmadụ na-akpa, igo nke na-atule agwa tupu ọ

kpaa ya na supa igo nke na-agbaziri iidi na igo. Ackerman (2018) kọwara saịkoanalisis ka ụzọ e si eme ka ihe dị mmadụ n'ime mmụọ pụta ihe site na ịgwa mmadụ okwu banyere ndụ, ihe ndị ka mkpa na ihe na-eme n'ụwa.

Ifejirika (2014:221-222) kwuru na atụtụ a na-eleba anya na mmadụ atọ pụtara ihe n'agụmagụ. Ha bụ: odee na ọnọdụ ime mmụọ ya, isiagwa na agwa ndị ọzọ pụtara ihe n'agụmagụ, ọgụụ na mmetụta agụmagụ nwere n'ebe ọ nọ. Atụtụ a nwere ngalaba atọ;

- Iidi: Nke a bụ akụkụ ime mmụọ mmadụ nke na-eme ka mmadụ kpaa agwa ekwesịghị ekwesị n'ihi na o cheghị ya eche. Ifejirika (2014:220) kwuru na ọ bụ akụkụ ime mmụọ mmadụ ebe ọchịchọ nke anụ ahụ na egwu wuru ụlọ obibi. N'ebe a ka ọchịchọ ihe arụ niile si apụta dị ka; ndakpo, ịkwa iko, izu ohi, ịtọ mmadụ, iwepụ ndụ, ịkpọ asị na oke iwe nke na-eduba mmadụ n'ịla n'iyi. Mpaghara ime mmụọ a anaghị eche echiche maka iwu, ọdịnaala na nkwenye, ọtụtụ oge. Mmadụ ọbụla nwere mpaghara ime mmụọ a n'ime ya mana ihe dị iche bụ etu mmadụ si achịkwa onwe ya iji hụ na ọ naghị apụta ihe n'omume ya.

- Igo: Nke a bụ akụkụ ime mmụọ mmadụ nke na-eche echiche maka ihe akparamaagwa ya ga-apụta tupu ọ kpaa agwa. Ọ na-eche echiche banyere ihe ọ chọrọ ime, mkpebi ọbụla na mpụtara ya tupu ọ kpaa agwa ọbụla. Mpaghara ime mmụọ a na-arụ ọrụ dịka onye nọ n'etiti iidi na supa igo. Mmadụ ọbụla nwere mpaghara ime mmụọ a mana ụfọdụ ndị ejirila mmanya na-aba n'anya, ọgwụ ike na ịse ahịhịa menyụọ nke ha.

- Supa igo: Nke a bụ mpaghara ime mmụọ mmadụ nke a na-ahụta dị ka akọnauche mmadụ. Ọ na-eche echiche maka ihe ziri ezi tupu ọ nwee mkpebi n'ihe ọbụla ọ na-eme.

Ndị nne na nna bụ ndị mbụ na-eguzobe mpaghara ime mmụọ n'ebe ụmụ ha nọ. Ka ha na-eto, otu dị iche iche na ọha obodo na-enye aka ịgbazi ezi akparamaagwa a.

Echebima na Ikeokwu (2017:29) kọwara na ọ bụ n'ime atụtụ saikoanalitik ka e si wepụta saikoanalisis. Ha kọwara na tupu Freud a nwụọ n'afọ 1939, na o jirila atụtụ saikoanalisis nke ọ tụpụtara na senturi 19 wee gwọọ ọtụtụ ọrịa metụtara ụbụrụ na ime mmụọ nke ọ kọwara na etụ mmadụ si too maọbụ ihe megasịrị oge mmadụ dị na nwata na-apụta ihe etu o si eme n'okenye.

Otu onye n'ime ndị nwere ọrịa ime mmụọ nke kpaliri mmụọ ya ịtụpụta atụtụ a bụ Anna Freud. O nwere nsogbu ime mmụọ na ọrịa anụ ahụ nke mere na ọ naghị aṅụ ihe ọṅụṅụ n'ihi ihe egwu dị na ndụ ya. Breuer na Freud wee chọpụta ka ha abụọ na-eme nchọpụta imata ụzọ ha ga-esi nyere Anna aka na haiponosis (ọnọdụ mmadụ iwepu uche n'ihe na-eme na gburugburu ya ma tinyesie uche ike n'ihe na-eme n'ime mmụọ ya) ga-enye nnukwu aka ịchọpụta ọtụtụ ihe banyere Anna na ụzọ ọgwụgwọ ya. Nchọpụta na atụmatụ niile banyere nsogbu Anna pụtara ihe na nkuzi Freud kuziri n'isiokwu ọ kpọrọ "Development of Psychoanalysis". Nchọpụta ha mere ka Freud tụpụta na nsogbu ọbụla ndị ọrịa histeria (ọnọdụ ime mmụọ imebiga ihe oke) na-agabiga sitere na ihe mgbu ha gabigara oge ha na-eto eto, ọ bụkwa ihe ndị ahụ gbanwere echiche ha na etu ha si enwe mmetụta obi.

**Ntụcha Akwkụwọ Agụmagụ ndị A Họọrọ**

N'ebe a, a ga-eleba anya n'ihe ndị na-ewetara ụmụagbọghọ ndụ ọchọnike dị ka odee akwụkwọ agụmagụ ndị a họọrọ si zipụta ha. Ijeọma Na Ije nke Onyinye Amamgbo dere Isi Akwụ Dara n'Ala nke Tony Ubesie dere Ijeọma na Ije Odee agụmagụ a zipụtara ọchọnike ụmụagbọghọ ụfọdụ n'ebe alụmdi dị dị ka o si pụta ihe na ndụ Nwakaego onye nke gụchara akwụkwọ, nweta ọrụ mana nwoke nwere isi abịaghị okwu ịlụ ya. O wee malite ime ihe ọbụla ịnaghara enyi ya nwaanyị ha abụọ gụkọrọ akwụkwọ sekondiri di ya n'ihi na ụdị ịhụnanya dị n'etiti di na nwunye abụọ ahụ na-amasị ya. Amamgbo (2021:18) zipụtara nke a;

> Nwakaego malitere ịkpaso Onyebụchi agwa dị aṅaa. Ọ malitere ime ka Onyebụchi malite ịhụta ya dị ka nwaanyị mara mma ma nwekwaa ezigbo agwa. N'ihi na ọ bịa n'ụlọ Ijeọma enyi ya nwaanyị ma rahụkwa ebe ahụ, ọ malitere ịna-arụsi ọrụụlọ ike oge niile Onyebụchi nọ n'ụlọ. N'ihi nke a, Onyebụchi malitere ịhụta nwunye ya dị ka onye umengwu Ọ sịrị n'obi ya na ọ bụ ụdị mmadụ dị ka Nwakaego ka ya maọbụ nwoke ọbụla kwesịrị ịlụ dị ka nwunye. Ọ mara mma nwaanyị, gụọ akwụkwọ nwee ezigbo aka ọrụ ma bịa dị uchu na umeala.

Ọ bụghị naanị nke a, Nwakaego malitere ịzụtara Onyebụchi ihe. Ọ bụ eziokwu na Nwakaego na-azụtara Ijeọma na ụmụ ya ihe oge niile ọ bịara n'ụlọ ha, ọ dịbeghị oge ọ zụtaara Onyebụchi ihe nke ya iche. Mana ugbua, o malitere ịzụtara ya uwe. Ijeọma sịrị ya esogbuzila onwe ya maka ịgotara di ya ihe n'ihi na ọ ga-eme Nwakaego imefu ọtụtụ ego. Nwakaọgo gwara ya na ihe ọbụla o meere Onyebụchi bụ ya bụ enyi ya nwaanyị ka o meere ya. N'ihi ihe mmeso a Nwakaego na-emeso Onyebụchi, ọ malitere ịhụ ya n'anya. Onyebụchi na-agba mbọ ịlọta ahịa n'oge tụmadị oge ọbụla Nwakaego nọ n'ụlọ ha. Ọ na-azụtakwa ọtụtụ ihe oriri dị iche iche iji mee onye ọbụla obi ụtọ.

Odee gosiri mbọ nwaagbọghọ a na-agba iji lụta di n'agbanyeghị na onye ọ na-achọ bụ di enyi ya nwaanyị mana o rere ihere n'ahịa nke bụzị na di enyi ya nwaanyị na-asịrị nwunye ya asị iji zopụ n'ụlọ gaa n'ụlọ ezumike ebe ha abụọ ga-ekpori ndụ. (ihu: 22-23)

> Otu ụbọchị, Onyebụchi gwara nwunye ya bụ Ijeọma na ya agaghị alọta n'ụlọ ụbọchị ahụ n'ihi na ya chọrọ ịga na nke enyi ya nwoke nne ya nwụrụ. Ọ sịrị ebe ọ bụ na akwamozu bụ echi ya, na ya ga-arahụ n'ụlọ enyi ya nwoke ahụ iji hụ na o nyere aka ma kwadoo ihe maka mmemme ahụ. Oge chi bọrọ, out enyi ya nwoke ahụ kpọrọ n'ekwentị Ijeọma ma jụọ ya ihe mere na ekwentị di ya anaghị aga aga.

"…Ọ bụ ka mkpụrụ ụbọchị olenaole gasịrị ka nwaanyị agbataobi ha gwara ya na ya hụrụ Onyebụchi na Nwakaego ka ha abụọ jikọrọ aka ka di na nwunye si n'ụlọ ihe oriri na ọṅụṅụ dị n'ụlọ ahịa obodo ha pụta."

Agwa Nwakaego butere nsogbu n'alụmalụ Ijeọma na Onyebụchi nke mere na ha abụọ na-enwe nghọtahie kwa mgbe ruzie ụbọchị Onyebụchi mara nwunye ya ụra ebe ha na-aba mba nke mere ka Ijeọma buru akpa ya ma duru ụmụ ya laa n'afọ ime. Ka ọ lara be nna ya, Nwakaego hụrụ nnukwu ohere ịbata na ndụ Onyebụchi iji mata ma ihe ọ ga-adabara ha ka di na nwunye. Odee zipụtara nke a n'ihu 31-33

> N'ụlọ Onyebụchi, Nwakaego na-echu ebe ahụ ka mmiri. Ọ sịrị na ebe ọ bụ na Ijeọma nwere ìké amaghị anọ ọdụ nke a bụ ohere ya ịhụ na Onyebụchi hụrụ ya n'anya ma chezọọ ihe ọbụla maka Ijeọma. Nwakaego na-agba mbọ ịhụ na ya siri nri dị ezigbo mma dobere Onyebụchi n'àkwà nri. Ụbọchị ọbụla ọ gaghị ọrụ, ọ na-achịkọrọ akwa Onyebụchi niile ma saa ha. Nke a mere na Onyebụchi nyere ya otu n'ime nwa igodo e ji akpọghe ọnụ ụzọ ya. Oge ụfọdụ ọ na-aga ọrụ, o site na be Onyebụchi, ọ lọtawa ọrụ, o sitekwa ebe ahụ.

(ihu:37) N'ụlọ Onyebụchi, ya na Nwakaego na-ebi ka di na nwunye. Onyebụchi anaghị emekwa ka onye nwere nwunye na ụmụntakịrị. Nwakaego n'aka nke ya anaghị akpọtakwa aha enyi ya nwaanyị bụ Ijeọma na ntị di ya bụ Onyebụchi

A hụkwara na ọ bụrụ na onye na-achọ ihe n'ụzọ abụla ụzọ enwetaghị ihe ọ na-achọ tụmadị n'ebe ụmụagbọghọ na-achọ di nọ, omume ha na-emeso nwoke ahụ ha nwere mmasị ebe ọ nọ na-agbanwe dị ka Nwakaego zipụtara n'agwa ya (ihu:38:40)

Nwakaego n'aka nke ya na-enwe mwute. O chere na ebe ọ bụ na Ijeọma akpọrọla ụmụ ya laa n'ụlọ nna ya na Onyebụchi ga-alụ ya. O chere na ikekwe ọ mụtara ya nwa nwoke ahụ bụ mkpa ya mana mbọ niile ahụ ọ na-agba iji hụ na Onyebụchi lụrụ ya adịghị mkpụrụ ọbụla ọ na-amịta.

> Nke a mere na obi adịghịkwa ya mma ebe Onyebụchi nọ. Otu ụbọchị, ọ bịara n'ụlọ Onyebụchi dị ka ọ na-eme na mbụ. Ka o ruru n'abalị, Onyebụchi chere na Nwakaego ga-esi ihe oriri ha ga-eri n'abalị ahụ nke a mere ọ na-ekiri ihe onyoonyo dị n'ụlọ ya. Oge o jiri mara na egwu a na-akụ abụghịkwa egwu a na-agba bụ oge ọ tụrụ anya ka Nwakaego bunye ya nri abalị mana ọ dịghị nri ọ hụrụ. O biliri ma baa n'ime ụlọ, hụ Nwakaego ka ọ na-arahụ ụra. Onyebụchi jụrụ ya sị; "gịnị mekwara na I sighị nri ebe ị sị na ọ dịghị ihe na-eme gị? Ọ zara ya sị;" abụ m nwunye gị? Ọnye ka i che na ị na-aghọrị? Abụ m nwunye gị ka ọ bụ odibo gị ka m bụ I chere na m amaghị na ọ bụ naanị enyi ka m dị gị mma. Adịghị m gị mma ọlụlụ ọ kwa ya?

Nwakaego amaghị ụma rịọ Onyebụchi n'ụtụtụ banyere agwa ọ kpara kama ọ chịkọọrọ akwa ya sụchaa ma bukọrọ ihe ya niile si n'ụlọ Onyebụchi laa n'ihi na ihe ọ na-achọ, o nwetaghị ya.

N'ebe a, a hụtara ka iidi si nọrọ n'ọrụ na ndụ Nwakaego onye nke echeghị echiche gbasara mkpebi ya ịnaghara enyi ya nwaanyị di ya n'ihi na ọ chọrọ ịlụ di. Ọ maghị na ọ naghị adị mfe nwoke ịhapụ nwaanyị mụtarala ya ụmụ ma dị ime nke a na-atụ anya na ọ ga-abụ nwoke ha na-achọ kamgbe. Ọ bụrụ na ọ bụghị ka ọ mee ihe na-atọ ahụ ya ụtọ dị ka iidi chọrọ, ọ kaara ịma na nwoke a agaghị ahụ ya n'anya n'ihi na ọ bụ enyi nwunye ya ka ọ bụ.

**Isi Akwụ Dara N'Ala**

Ubesie 1973 kọrọ akụkọ ihe mere n'agha Biafra nke o ji agwa Ada wee zipụta ka ụmụagbaghọ si agba mbọ ịlụta di ka ha sonye n'ihe a na-eme. O gosipụtakwara ihe ndị mmadụ gabigara n'agha Biafra iji dị ndụ ma nwee ihe oriri na etu ụfọdụ ụmụnwaanyị si soro ndị amị kpafuo dị ka Ada mere wee gbahapụ di ya na ụmụaka ya n'ihi ihe anụ ahụ na-achọ. Ọchọnike pụtara ihe na ndụ Chike di Ada onye nke mere ihe ọbụla iji hụ na o nwetara ihe oriri ya na ụmụ ya nke buteere ya ntaramahụhụ n'aka ndị amị. Nke kacha nke bụ na ndụ Ada malite mgbe ọ na-ele anya di ga-alụ ya ruo mgbe ọ lụrụ di agha wee malite ka o si hapụ ezinaụlọ ya mewe enyi ndị

amị ruo na mgbe e ji ngwa ahịa ya, o mere ihe ọbụla iji hụ na ndị amị hapụrụ ngwa ahịa ya. (Ihu 3) zipụtara ka ọchọnike ịlụ di si malite na ndụ Ada.

> Ọnwa ọbụla gafere, Ada ejiri otu ọnwa karịa afọ ole ọ gbara n'ọnwa gara aga. Ego niile a na-akwụ ya n'ụgwọ ọnwa bụ maka iji chọọ onwe ya mma. Ma ebe ọ bụ na ọ dịghị nwoke na-eghe ya ezigbo ọnụ, ma ya fọdụ ikwuwe okwu ịlụ ya alụ, ọ na-adị Ada ka ego niile ọ na-emefu wee na-achọ onwe ya mma bụ ihe lara n'iyi

(Ihu 4) Dịka ọ dị ugbua, obi dị onye ọbụla mma, ma e wezuga Ada. Obi dị Ada mma mgbe e kwubeghị okwu na a ga-eri ụgwọ. Ma ugbua, e kwuru na a ga-eri ụgwọ, iwe juru ya obi n'ihi na nke a mere ya ka o chewe ihe ya ji ego ya rụtara n'oge gara aga wee mee. Naanị ihe o ji ego ndị ahụ mee bụ ịzụrụ uwe dị mma, ịzụrụ uri ọ na-ete n'ọnụ na ịzụrụ ihe dị iche iche o ji chọọ onwe ya mma maka gịnị? ka o wee dị otu nwoke mma ile anya. Ma mmadụ gbachaa egwu ma ọnweghị onye sị ya na ọ gbatara egwu ọ gbara, onye n'agbaghị agba ka ya mma.

N'ihi mmasị Ada ịlụrịrị di, 'o mere ya na o jighi anya ahụ nwoke nyere ya ihu ọ malite inwe olile anya na onye ahụ ga-alụ ya. O zipụtara nke a mgbe ihe jikọrọ ya na Obiọra. Ọ dịbeghị ka o si gwa ya ihe yiri ọlụlụ maọbụ ime enyi naanị na ha abụọ malitechara ịdị mma mana n'uche Ada o chebela ka o ga-esi lụọ. Ihu 7 zipụtara nkata dị n'etiti Ada na Obịọra ụbọchị ọ bịara be Ada nke zipụtara oke mmasị Ada nwere ịlụrịrị di;

> …Obi tọrọ Ada ụtọ nke ukwuu nke bụ na ọ bịara buru oche ya nọdewe Obiọra. Ha abụọ wee malite kọwa ụdị akụkọ mmadụ abụọ hụrụ onwe ha n'anya na-akọ. Ha kọrọ ọtụtụ ihe na ya bụ akụkọ ma Obiọra ekweghị ekwu ihe abụọ Ada na-atụ anya ka o kwuo. Nke mbụ, Ada na-atụ anya ka Obiọra jụọ ya ụbọchị ọ ga-abịa be ya maọbụ ọ sị ya na ya chọrọ ka ha abụọ jee ebe nna Ada bi, ka nna Ada mara onye Obiọra bụ. Ma, Ada kwuru gawa akụkụ ahụ, Obiọra akọrọ ihe ọzọ tinye n'akụkụ ahụ. Naanị ihe Obiọra na-agwa Ada bụ ka ya si hụ ya n'anya na ka Ada si maa mma nke ukwu. Ada wee sị ya, "ebe ọ bụ na ị hụrụ m n'anya n'ụdị a ị na-ekwu, ọ dị gị ka o nwere ihe ga-egbochiri anyị abụọ ịlụ di na nwunye?
>
> Obiọra gbara nkịtị ọtụtụ oge, kpudo ihu n'ala. N'eziokwu, ọ bụghị ọrụ dịịrị nwaanyị ịgwa nwoke ụdị ihe a. ma n'obi Ada, ọ dịghị ihe Ada agaghị eme ka o wee ya anya na Obiọra abụrụla nke ya. Ma Obiọra ekweghị ekpuli ihu ya elu, obi Ada malitere tawa ya ụta ihe o ji jiri ọnụ ya gwa Obiọra ụdị ihe a karịa Obiọra iji ọnụ nke ya gwa ya.

Obiọra gwara Ada na ọ lụọla nwaanyị ka Ada wepụ obi ya n'echiche niile na-aga n'obi ya gbasara ọlụlụ n'ihi na nkata ha mere ka ọ chọpụta na Ada chọrọ ka ọ lụọ ya. Ihe nke ọ gwara Ada wutere Ada nke ukwuu n'ihi na ọ bụghị ihe ọ chọrọ ịnụ ka Obiọra kwuru.

> …Obiọra wee wetulata olu ya wee gwawa Ada sị, "Ada, site mgbe anyị abụọ ji diwa na mma, ọ dịbeghị ihe seere anyị abụọ okwu. Anyị abụọ akọbeghị ọnụ. Achọrọ m ka m mee ka ị mata ọtụtụ ihe banyere m tupu ọ dị njọ "alụọla m nwaanyị mụta ọtụtụ ụmụ. Abụọ n'ime ha amalitela jewe akwụkwọ. Ndị nke ọzọ... ihe ndị a niile ọ na-akọ bụ onwe ya ka ọ na-agwa n'ihi na ọ chịala Ada n'ụkwụ Ada ekwughị okwu, ọ kaghị ụka. Obiọra agbaala ya mgba azụ.

> Nchekwube niile ọ na-enwe na Obiọra ga-alụ ya abụrụla ihe lara n'iyi. Ugbua ka o ji mara ihe mere Obiọra ejibeghị sị ya ka ha ruo be ya site mgbe ha abụọ malitere dịwa na mma.

Ada mechara lụọ Chike ka Ọbiọra gharịpụchara ya. Agha Bịafra malitere mere Chike onye a ma ama ka ide ji akụ bụrụ onye agha buteere ọtụtụ nsogbu n'ezinaụlọ ya. Chike rere ákwà ha iji bidoro nwunye ya ahịa nnu n'ihi na ọ bụ ụmụnwaanyị jizi ezinaụlọ maka na ụmụnwoke na-ezogharị ka ndị amị hapụ iduru ha baa amị.

Chike mere ọtụtụ ihe iji hụ na agụụ agụgbughị ndị ezinaụlọ ya. ihu 62 gosipụtara ka Chike si kpebie na ọ ga-esi n'ụzọ abụla ụzọ baa n'ogige ebe ọ ga-ebute ihe enyemaka maka na o meghị etu a, agụụ egbuo ya na ezinaụlọ ya. Nke a gosriri na agụụ nwere ike iwetara mmadụ ọchọnike.

> ….Mgbe o ruru ebe ahụ, ndị uwe ojii ndị soja ekweghị na mmadụ ga-emegharị ahụ. I si ha na ị chọrọ ịhụ onyeisi, ha agaghị ekwe. ị si ha kpọọrọ gị onyeisi, ha agaghị ekwe, ị chọọ ka ị baa n'ike, ha ewere isi egbe dụrụọ gị ahụ. Ma Chike ekwuọla n'obi ya sị na taa ka ọ ga-ebi. Ọ laa be ya, a kpachaghị anya, agụụ egbuo ya. Ọ chọọ ka ọ baa n'ogige ndị na-eke ihe enyemaka n'ike, a kpachaghị anya, ndị uwe ojii ndị agha ejiri isi egbe dụkwopụ ya agba. Ebe ọ bụ na ọ gaa n'ihu, ọnwụ nọ na-eche ya, ọ laa azụ, ọnwụ nọ na-eche ya. Chike kwuru n'obi ya sị na ọ dịghị ihe ga-egbochiri ya ịba n'ime ogige ndị ahụ na-eke ihe enyemaka n'ihi na onye ọbụla dị ndụ ga-anwụ anwụ ma naanị ihe n'edoghị ya anya bụ, ihe mmadụ ga-arịa n'ọrịa wee nwụọ.

A ga-ahụ na ọchọnike na-ebute ntachịobi n'ihi na onye na-achọ ihe n'ụzọ abụla ụzọ na-akwado mmụọ ya ịgabiga ihe ọbụla ma ya hụ na o nwetara ihe ọ na-achọ.

N'ihi na ọ bụ ụmụnwaanyị na-akpatazi nri n'ezinaụlọ maka na ọtụtụ ụmụnwoke sonyere ndị amị n'agha ebe ndị ọzọ dị ka Chike na-ezogharị ezogharị ka ndị amị hapụ ijide ha wee tinye ha iso n'agha. Nke a mere na ụmụnwaanyị ụfọdụ malitere ịkpa agwa ka ha abụzị chi n'ezinaụlọ ha dị ka Ada zipụtara n'akparamaagwa ya. Ka ego malitere ịbata Ada aka, omume ya gbanwere nke ukwuu n'ebe di ya na ụmụ ya nọ, ọ malitere ime enyị ndị soja. Otu ụbọchị, onyeisi ndị soja jidere ndị ahịa ọ zigara ahịa ka ha bulatara ya nnu na akpa nnu ha. Oge ọ nụrụ ya, ọ dịghị ihe ọ meghị ka a hapụrụ ya akpa nnu ya niile mana onyeisi ndị soja ahụ na-akwanyere onwe ya ugwu nke ukwuu. ihu 93-94 kọrọ ka Ada si gaa n'ogige ndị amịịga mara ihe ọ ga-eme ka ọ gbaghapụta ndị ahịa ya na ngwa ahịa ya e ji.

> …Ada wee baa n'ogige ha, jewe n'ebe onyeisi ha bi. Ka ọ na-eru nso, ndị agha na-eche onyeisi nche wee sị ya chere ka ha je jụọ onyeisi ma ọ ga-ahapụ ya ka ọ bata. Ọ dịghị anya onye nche ahụ jere be onyeisi, ọ pụta sị na onyeisi ha sị ya jee n'ụlọ ọrụ ya chere ya n'ihi na ya anaghị achọ mmadụ ịbịa na be ya hụ ya. Ada zighachiri nwoke ahụ sị ya jee sị onyeisi na ya chọrọ ịbịa na be ya. Tupu nwoke ahụ ejewe, Ada dupụtara ya n'akụkụ sọchanye ya naịra iri n'aka, sị ya o ruo ya sị onyeisi ha na ọ bụ ọmarịcha nwaagbọghọ bịara ịhụ ya.
>
> …Ada jiri nwayọọ jewe ebe a sị ya jewe, ọ dịghị anya onyeisi ndị agha ahụ bata ebe Ada nọ na-eche ya. "ehee? Nwaanyị, gịnị ka m ga-emere gị? Ka nwoke ahụ si dewe

> ọnụ jụọ ya ajụjụ ahụ gosiri Ada na nwoke ahụ abụghị anụ oriri, Ada wee chọọ ka ọ kpụmite oche ya…nọrọ ebe ị nọ ma na-ekwusi okwu ike ka m wee na-anụ ihe ị na-ekwu.
>
> …Ada kpụmitere nso ebe ọ nọ sị nwoke ahụ ka ha abụọ jeruo n'ime ụlọ be ya. Nwoke ahụ ajụ, sị ya na o nwee ihe ọ chọrọ ịgwa ya, ya gwa ya ugbua. Ada wee para ego o kere na ngwugwu na ngwugwu bunyewe nwoke ahụ, nwoke ahụ sere aka n'ike, ego ahụ niile tọghee wụsa n'ala Ebe a gosipụtara ka iidi si rụọ ọrụ na ndụ Ada onye nke chọrọ ime ihe niile anụ ahụ ya chọrọ n'agbanyeghị na ọ nọ na di mana ahụ ya chọrọ iji ihe o nwere nweta ihe ọ na-achọ. Ada anaghị echeta na ịgba n'ezi bụ arụ tụmadị n'ebe o metụtara nwaanyị nọ na di. Ọ bụrụ na o nwere echiche, ọ kaara isi n'omume onyeisi ndị agha ahụ mesoro ya na mbụ wee mara na ọ gaghị ebutu onwe ya n'ala imetọ ndụ ya.

**Ọghọm Ọchọnike ịlụriri di na ndụ ụmụagbọghọ**

- **Ịkpụ ugwu n'ala**

Ọghọm na-apụta na mkpebi ọjọọ ọbụla mmadụ kpebiri mgbe ọ na-achọ ka o nweta ihe ụwa n'ụzọ abụla ụzọ n'echeghị echiche na ihe ọbụla nwere mbido ga-enwe ngwusị. Nke a pụtara ihe n'Isi Akwụ Dara N'ala n'agwa Ada kpara malite mgbe ọ na-atụ anya ka Chukwu were di nke ya gozie ya ruo mgbe agha malitere na ihe o mere di mechara lụọ ya. Ọchọnike na-eme mmadụ ọ gaghị ama mgbe o ji ree ugwu ya kọbọ dị ka Ada zipụtara mgbe ya na Obiọra na-eme enyị. Ihe Ada bu n'obi bụ ọlụlụ ebe Obiọra agwabeghị ya ihe ọbụla gbasara onwe ya maọbụ ihe ọ chọrọ n'etiti ha abụọ. Ubesie (1973) gosipụtara ka Obiọra si bịa be Ada ha abụọ wee na-akpa nkata mana Ada na-eche ka Ọbiọra kwuo ihe obi ya chọrọ ịnụ mana o kwughị, ọ gara n'ihu gwa ya na ebe ọ hụrụ ya n'anya, ka ha lụọ mgbe ahụ ka Obiọra ji gwa ya na ya alụọla nwaanyị ma mụta ụmụ. Obi gbawara Ada o wee kpaa agwa ka onye isi adịchaghị mma. (ihu 10-11)

> …Ada ekweghị ya kwupu ihe ọbụla o bu n'uche chịrị ọnụ wudo ya… "ị ga- ala ka ọ bụ na ị gaghị ala?" Ọnụ ekweghị Obiọra ekwu ihe ọbụla. Ma, mgbe Ada jere n'ebe ọ na-akwasa ihe nri ka Obiọra ji mara na ọgụ achọwala ịmalite. Ụdị ọgụ a ga-abụrịrị ụdị ọbara na-eso n'azụ. Ọ bụghị mma ka ọ na- eje iweta, ọ bụrụ akaodo ya maọbụ ngaji ofe ya.
> ….Ọ bụ mgbe Obiọra gbafere okporoụzọ ka ọ hụrụ Ada ebe o ji akaodo kwụrụ n'ọnụ ụzọ be ya na-aba mba.

Ọ bụrụ na Ada chere echiche maka ugwu ya dị ka nwaanyị, ọ kaghị ịgwawa nwoke okwu ọlụlụ mgbe ọ bụghị ya bu ụzọ kwuo ya. Ọ kaghịkwa iwe oke iwe na Obiọra gwara ya na ọ lụọla nwaanyị na ọ bụ ya mere na ọ naghị akpata nkata ihe ga-ejikọ ha abụọ maọbụ gwa ya bịa be ya.

Ibu akaodo chụpụ Obiọra be ya bụ mmechu ihe dịịrị ya maka na nwaanyị anaghị arịọ nwoke lụwa ya maọbụ webe iwe na nwoke enweghị mmasị ebe ị nọ. Nke a zipụtara ọrụ iidi na-arụ na ndụ mmadụ.

**Ọ na-eweta ntisa n'etiti enyi abụọ na ịleda nwaanyị anya**

Amamgbo (2021) zipụtara na ọchọnike na-eme mmadụ o ree ugwu ya n'ahịa ma mebie adịm mma ya na ibe ya. Nke a pụtara ihe n'agwa Nwakaego onye nke ji maka ịlụ di wee ghasaa ezinaụlọ enyi ya nwaanyị Ijeọma ka o wee naghara ya di ya. O cheghị ihe omume ahụ ga-ewetara ya n'ikpeazụ. Ọ bụ eziokwu na enyi ya hapụrụ di ya duru ụmụ ya na afọ ime laa be nna ya mana mgbe Onyebụchi emeghịzị ka Nwakaego si chọọ, obi gbawara nwaagbọghọ a. Ọ malitere ịkpaso Onyebụchi di enyi ya agwa adịghị mma n'agbanyeghị na ha abụọ bizi ka di na nwunye ka enyi ya nwaanyị lara. Omume ahụ o mere nyere Onyebụchi ohere ịlọghachi azụ rịọ nwunye ya mgbaghara. (ihu 56:57)

> Naanị onye n'amaghị ihe ọ ga-eme bụ Nwakaego. Ndị mmadụ malitere ikpọ ya aha ọjọọ dị iche iche n'ihi ajọ agwa ahụ ọ kpasoro enyi ya nwaanyị. Nne ya na nna ya nwere ezi mwute n'ihi ihe ahụ o mere. Ha gwara ya ka ọ ghara ịtụ ụkwụ n'ụlọ ha ọzọ ganye na ọ rịọ Ijeọma mgbaghara. Nwakaego chere ka Ijeọma lọghachi be di ya tupu ọ gaa n'ụlọ ya. Ka Nwakaegọ nụrụ na Ijeọma alọtala, ọ gara n'ụlọ Onyebụchi. Omume Ijeọma mere wụrụ ya akpata oyi. Ijeọma biri ya ọma ma gwa ya ka ọ nọrọ ala n'oche.

Nke a zipụtara akparamaagwa iidi nke na-etinye mmadụ ịkpa ajọ agwa dị ka ịgba n'ezi, oke ọchịchọ, izu ohi dg. O gosipụtakwara enweghị echiche miri emi banyere agwa ọbụla mmadụ chọrọ ịkpa tupu ọ kpaa ya na nsogbu ọ na-ebute. Alụghị di n'oge na-ebute ọchọnike na ndụ ọtụtụ ụmụagbọghọ ma ha akpachaghị anya nke a bụ ihe tinyere Nwakaego na ndụ ọchọnike.

**Ụzọ e nwere ike gbochie ndụ ọchọnike**

- Nwee ndidi ma chere oge Chukwu: Ọtụtụ mmadụ n'oge a anaghị enwe ndidi ma

  tụkwasị Chukwu obi. Ha chọrọ ịnweta ihe ọbụla ọsọọsọ ya mere n'uche ha, Chukwu anaghị abịa ngwangwa ịnyere ha aka. Ọ bụ enweghị ndidi dubara ọtụtụ isi n'ụzọ abụla ụzọ nweta ihe ha na-achọ. N'ikpeazụ ihe ahụ eweta nsogbu ha ga-eji gbachighaa azụ ebe Chukwu nọ maọbụ nọrọ na ngaramara.

Ọ dị mma inwe ndidi n'ihe niile mata na ụkwa ruo oge ya ọ daa mana ịchọ ihe n'ụzọ abụla ụzọ adịghị mma, o nwere ike ibute obi nkoropụ. Ubesie (1973:4) gosiri ka Ada si elegara anya na Obiọra ga-alụ ya mana mgbe ọ gwazịrị ya na ọ lụọla nwaanyị ma mụta ụmụ, obi koropụrụ Ada nke mere na o ji akaodo chụpụ Obiọrọ be ya. Odee zipụtakwara na n'ihi agha, ọ bụ ụmụnwaanyị na-achụta ihe ezinaụlọ na-eri maka na nwoke ọbụla e jidere, akpụba ya n'amị ka o soro lụọ agha.

Nke a mere Chike di Ada ji malitere ahịa nnu mgbe nwunye ya rịọrọ ya maka ya mana Ada tụgharịrị sowe ndị amị n'ihi etu ọnọdụ si dịrị di ya. Chike onye a ma ka aka ji akụ enweghịzị ego maka na ụlọakụ mechiri. Ada mesiri di ya na ụmụ ya ike n'achetaghị na agha ga-ebi out ụbọchị.

Amamgbo (2021) zipụtakwara nke a n'agwa Nwakaego onye nke ji n'ihi ka ọ zaa aha nwoke dị ka nwunye wee ghasaa ezinaụlọ enyi ya nwaanyị Ijeọma mana n'ikpeazụ, Chineke mechara were di mara mma chọọ ya mma. ihu 18 zipụtara nke a;

> Mgbe niile ọ gara n'ụlọ enyi ya nwaanyị bụ Ijeọma, ọ na-ewute ya nke ukwuu na ezigbo enyi ya nwaanyị alụọla di ma mụta ụmụ ebe ya ka na-arịọ Chi ya ka ya lụgodu di. Ijeọma enyi ya nwaanyị na-akasi ya obi ma na-agwa ya na ọ bụ onye ihu ọma kpọrọ. Ọ gụrụ akwụkwọ, maa mma, ma nwekwaa ezigbo ọrụ. "Ọ gwaara ya ka o nwee ndidi maka na onye bụ di ya ga-abịa. N'agbanyeghị ihe ndị a niile, ọ na-adị Nwakaego ka ya bụrụ ya ka Onyebụchi na-alụ" Nwakaego malitere ịkpaso Onyebụchi agwa dị aṅaa. O mere Onyebụchi malite ịhụta ya dị ka nwaanyị mara mma ma nwekwaa ezigbo agwa

Nwakaego ghasara ezinaụlọ enyi ya Ijeọma site na ịnaghara ya di ya. Ka o lere anya hụ na ihe anaghị aga ka o si chọọ n'ihi na ọ tụrụ anya ka Onyebụchi lụwa ya ka nwunye ya hapụrụ laa. Ka ọ hụzịrị na Onyebụchi anaghị ekwu ka ha ga-esi lụọ, agwa ya gbanwee nke mere ka ọ laghachi azụ gaa rịọ nwunye ya mgbaghara. ihu 56 zipụtara nke a;

> …Onyebụchi gwara ndị ọgọ ya na ya ga-echighata n'izu ụka abụọ iji kpọrọ nwunye ya na ụmụ ya. Obi juputara onye ọbụla na aṅụrị. Naanị onye n'amaghị ihe ọ ga-eme bụ Nwakaego. Ndị mmadụ malitere ikpọ ya aha ọjọọ dị iche iche n'ihi ajọ agwa ahụ ọ kpasoro enyi ya nwaanyị. Nne ya na nna ya nwere ezi mwute n'ihi ihe ahụ o mere. Ha gwara ya ka ọ ghara ịtụ ụkwụ n'ụlọ ha ọzọ ganye na ọ rịọ Ijeọma mgbaghara.

Nwakaego gara n'ụlọ Ijeọma ka ọ lọghachitere be di ya wee rịọ ya mgbaghara maka ajọ agwa ya.

Ijeọma gbaghaara ya n'ajọ agwa o kpasoro ya. Chineke goziri Nwakaego oge ọ tụghị anya ihu 59 "Ka otu afọ gachara, otu onye ụlọọrụ Nwakaego ha lụrụ ya. Obi were bụrụ onye ọbụla sọ aṅụrị"

Nke a gosiri etu enweghị ndidi si etinye mmadụ n'ọnwụnwa mana ngwangwa onye ahụ nwere ndidi, ihe niile ga-agaziiri ya nke ọma.

**Nchịkọta Nchọpụta**

Na nchọcha a, a chọpụtara ọtụtụ ihe nke na-ebute ọchọnike, ọghọm ya na ụzọ e nwere ike isi gbochie ya. A hụrụ na ọ bụ enweghị afọ ojuju, enweghị ndidi, anyaukwu na ekworo na-akpata ọchọnike. A chọpụtakwara na ọchọnike na-apụta ihe mgbe mmadụ hapụrụ iidi dị ya n'ime ka ọ nọrọ n'ọrụ karịa supa igo, ebe a maara na ọrụ iidi bụ ime mmadụ ka ọ na-akpa agwa adịghị mma nke gụnyere; izu ohi, ịkwa iko, iwepụ ndụ, ịtọrọ mmadụ ree dg.

A hụkwara na ọchọnike na-edubakarị na ngaramara maọbụ mmechu ihu n'ihi na ọ na-anaghara mmadụ uche ruo na o mechaa ihe ahụ anụ ahụ ya chọrọ. Ọ dịkwa mkpa ịmata na mmadụ nwere ike itinye onwe ya na ndụ ọchọnike site n'enweghị afọ ojuju na ndidi.

**Aro ndị nchọcha**

Ndị nchọcha na-atụ aro ndị a iji kpọlata akọnauche ọtụtụ n'ọghọm ọchọnike na ụzọ mgbapụta.

- Ọ dị mkpa ndị mmadụ ịmụta ka e si enwe ndidi n'ụwa mata na ebe onye ọsọ ruru, onye ije ga-eru ya naanị oge ka ọ ga-ewe. Ọ bụ enweghị ndidi ka ọtụtụ ji gbanarị chi ha n'ọsọ wee gbakwuru ọnwụ.
- Ọ bụkwa ihe kwesịrị ekwesị na mmadụ ga-enwe afọ ojuju n'onwe dị ka etu chi mmadụ si kee ya na ihe ndị o nwere ghara ịchọ ka ọ dị ka onye ọzọ n'ihi na ọ bụ ịdị ka onye ọzọ butere anyaukwu na ekworo ma duba ọtụtụ ime ihe ọbụla iji sonye n'ihe a na-eme.
- Ka onye ọbụla na-echemi echiche ime tupu o mee ihe ọbụla maọbụ nwee mkpebi ọbụla gbasara onwe ya maọbụ ihe ọ chọrọ ime iji gbanarị ngaramara.
- N'ikpeazụ, ndị odee agụmagụ ga-agba mbọ na-ewebata ọghọm ọchọnike n'agụmagụ ha iji nyere ndị ọgụụ aka ịmata na ihe na-atọ ụtọ na-egbukwa egbu.

Ihe ndị a chọpụtara Ọtụtụ ihe bụ ihe ndị nchọcha chọpụtara na nchọcha a site n'ime akwụkwọ agụmagụ ndị a họọrọ na ihe ọtụtụ ndị odee kwuru maka ọchọnike na ọghọm ya. Nwanchọcha chọpụtara na ọchọnike bụ mmadụ enweghị afọ ojuju n'ihe o nwere maọbụ etu chi ya si dewere ya ọnọdụ nke mere na onye ahụ ga-amalite ịchọ ka o si n'ụzọ abụla ụzọ nweta ihe ọ chọrọ Onye nwere ndụ ọchọnike anaghị echemi echiche ime banyere mpụtara ihe ọ chọrọ ime. Nke a mere na ọtụtụ mgbe, o na-ewetara ha ngaramara maọbụ iwepụ ndụ n'ikpeazụ. Dị ka akwụkwọ agụmagụ ndị a họọrọ si zipụta, ndị nchọcha chọpụtara ihe ndị a;

Ndị odee agụmagụ ndị a gosipụtara na e nwere ọnọdụ na-eduba mmadụ n'ọchọnike dị ka;

- Alụghị di: Ọ bụ mmasị nwaanyị ọbụla ịlụ di ma bụrụkwa mmasị nne na nna ọbụla ikeri nwa ha. Nke a mere na nwaagbọghọ ọbụla ruru afọ kwesịrị nwaanyị ịlụ di ma ọ lụbeghị na-arịọ chi ya ka ọ baa be nwoke. Ọtụtụ na-amalite ịchọ ụzọ abụla ụzọ ha ga-esi zaa aha nwoke nke mere na ha na-aga n'ihu izipụta ọchọnike na ndụ ha dị ka ịnaghara enyi ha maọbụ nwaanyị ọzọ di ya. Nwakaego zipụtara nke a n'akwụkwọ Ijeọma na Ije mgbe o malitere ime ihe ọbụla o nwere ike ya iji naghara enyi ya nwaanyị Ijeọma di ya.

  A hụkwara ọchịchọ ịlụrịrị di na ndụ Ada n'agụmagụ Isi Akwụ Dara n'Ala. Odee zipụtara etu Ada si azụ ngwa mma ka o wee chọta di na agwa ọ kpasoro Obiọra ụbọchị Obiọra gwara ya na ọ lụọla nwaanyị.

Ndị nchọcha chọpụtakwara na n'agbanyeghị na ọchọnike nwere uru ya mana ọghọm ya karịrị akarị dị ka isiokwu nchọcha si dị. a hụrụ na agwa niile zipụtara ọchọnike n'akwụkwọ agụmagụ ndị a họọrọ hụrụ ọghọm agwa ha buteere ha. O nwere ndị mechuru onwe ha ihu na ndị ndụ a tisara ọdịmma ha na enyi ha. Ihe niile a gosiri na ngaramara na-eso ọchọnike n'ikpeazụ. Nke a mere o ji dị mkpa na onye ọbụla chemiri echiche ime banyere mpụtara mkpebi ọbụla ọ na-enwe iji gbanarị nsogbu o na-eweta n'ikpeazụ.

## Mmechi

Na mmechi, ọ dị mkpa ka onye ọbụla mara na ọchọnike nwere ike ịnaghara ya ndụ ya ma ọ bụrụ na ọ kpachaghị anya n'ihi na onye ọbụla nwere iidi n'ime ya. Mana ihe dị mkpa bụ ka onye ọbụla gbaa mbọ ịdị na-echemi echiche ime banyere mkpebi ọbụla na etu ọnọdụ si dịịrị ya iji gbanarị iidi dị n'ime ya ịnaghara ya mmụọ ezi echiche. Ọzọ, nchọcha a gbara n'anwụ ụzọ dị iche iche ndị mmadụ si ezipụta ọchọnike n'agwa ha nke gụnyere; ọchịchọ ibute ego ebute, ime ihe ọbụla iji lụta di, ịmụta nwa ọkachasị nwa nwoke dg. Ihe ndị a niile bụcha ihe na-akpa mkpụrụ obi mmadụ n'ụwa a mana ka a hapụ imebiga ihe oke iji gbanarị ngaramara maọbụ mwepụ ndụ.

## Edensibịa


Abdulkareem, A.A. (Febụwarị 28, 2022). "Desperation to Make Quick Money: A Complication That Leaves Our Country in Danger". Weghachitere site na http://www.thecable.ng na Disemba 24, 2022

Ackerman, C.E. (Mee 7, 2018). "Psychoanalysis: A History of Freud's Psychoanalytic Theory". Weghachitere site na https://positivepsychology.com na Febụwarị 27, 2023

Amamgbo, O.C. (2021). Ijeọma na Ije. Onitsha: Ben-Cons Publishers

Amie, F. (Nọvemba 14, 2018). "Desperation-Causes, Consequences and How To Avoid It". Weghachitere site na http://www.nairaland.com na December 24, 2022

Ayodele, A. (Ọktoba 8, 2022). "Nigerians React as Lady Dies During Plastic Surgery" in Daily Post. Weghachitere site na http://dailypost.ng na Disemba 24, 2022

David, C. (Febụwarị 25, 2019). "Desperation's Effect on Decision Making". Weghachitere site na http://www.meduim.com na Disemba 23, 2022

Echebima, H.C. na Ikeokwu, E.S. (2017). "Characterization and Naming: A Relational Identity in Eruru and Ọnọdụ Ugo" na Journal of Igbo Studies (IJS). Vol. 12(2): 28-53

Ejinkeonye, U. (2011). "Desperate Women and Their Obscene Fashion". Weghachitere site na http://www.saharareporters.com na Disemba 21. 2022

Enewarideke, E. (Julaị 1, 2021). "No to Desperate Politicians" in Vanguard. Weghachitere site na http://www.vanguardngr.com na Disemba 25, 2022

Hannan, C.E. (2019). "Very Superstitious: The Relationship between Desperation and Superstitious Behaviour". Murray State Thesis and Dissertation. Weghachitere site na http://www.digitalcommons.murraystate.edu/etd/145 na Disemba 20, 2022

Ifejirika, E. (2014). Introduction to Literary Theory, Criticism and Practice. Ọka: Mabcom Systems.

Quen, S. (Ọktoba 11, 2020). "Dangers of Desperation and How to Overcome". Weghachitere site na http://www.sammyquen.com na Mee 8, 2023

Sabater, V. (November 15,2021). Desperation: When You Think All is Lost. Weghachitere site na http://www.exploringyourmind.com na Disemba 23, 2022

Ubesie, T.U. (1973). Isi Akwụ Dara N'ala. Legọọs: Oxford University Press

Uwaoma, N. (1997). Introductory Psychology. Legọọs: Chinedum Publishers and Stores